ỊKPỌLITE EZI AKPARAMAGWA NA USORO OBIBI NDỤ NDỊ IGBO

Si N'Aka
Esther Ogochukwu Akpulu
Ngalaba Amụmaụ Igbo, Afrịka Na Eshia
Nnamdị Azikiwe University, Awka
Phone: 08063010049

Ụmị edemede

Ọtụtụ ndị Igbo nọ na mwute n'ihi etu ihe ọjọọ si arị elu n'ala Igbo. Usoro ezi akapramagwa bara uru nke ha kwenyesịrị ike na ọ bụ ụzọ mmadụ kwesịrị isi bie ndụ dị ka nwkenye na Chi Ukwu, ịgba mbọ, inye ụmụaka ezi ọzụzụ, na ihe ndị ọzọ na-alazi azụ. N' ọnọdụ ya a na-enwe agwa ọjọọ dị iche iche dị ka nwanne amaghịzi nwanne ya, ịgba mbọ bụzi igbu oge, nne na nna enweghịzi oghere ịzụ ụmụaka ha nke ọma n'ihi achụmego na ndị ọzọ. Ọtụtụ emume ọdịnala ndị Igbo na-eme iji kwalite ezi akparamagwa adịghịkwa ebe ụfọdụ ndị ha jisiike ka na-eme adịghịzi ire etu ha dị na mbụ. Nke a abụghị naanị na ọ na-echere ọnọdụ nchekwa aka mgba kama ọ na-ebikwa ọnọdụ ekpmekpe na akụ na ụba ndị Igbo aka ọjọọ. Omume ọjọọ niile ndị Igbo na-amụta na-emebiri ha ihe ebe ọ dị ukwuu, ọ bụladị na ọ na-emegide ezi usoro iwu ọdịnala ndị Igbo bụ ndị e ji usoro akparamagwa kwesịrị ekwesị na ịsọpụrụ iwu ọdịnala mara. Nke a ka o jiri dị mkpa ka ndị Igbo laghachi azụ n'ezi ụzọ ahụ ndị nna ha ochie hapụụrụ ha. A chọpụtara na ihe kpatara nke a gụnyere mmekọrịta omenala na ibe ya, mgbanwe so ọchịchị ndị mbịarachịwa, oke ọchịchọ were dịrị gawa. Ihe ndị Igbo kpọrọ ezi agwa kwesịrị ekwesị nwere ike o nweghị ihe agbụrụ ndị ọzọ jiri ya kpọrọ n' ụdị na ọ bara uru. Nchọpụta gosiri na ọbịbịa ndị mbịarachịwa kụnyere mkpụrụ nleda anya n' ụzọ ndụ ndị Igbo n'ụdị na usoro obibi ndụ na ezi akparamagwa kwesịrị ekwesị e ji mara ndi Igbo bụzi nke ekwesịghị ịga n'ihu ebe nke ndị Bekee ka mma n'ụdị ọ bụla. E jikwa atụtụ fọnshọnalisti kemgbanwe ọha were zipụta na ndaghachi azụ e nwere n'ezi akparamagwa ndị Igbo bụ n'ihi mmepe na mgbanwe sitere n'ịnabata omenala ndị mba ọzọ. Ebumnuche nchọcha a bụ izipụta na ndị Igbo agbahapụla ọtụtụ ụzọ ndụ e ji mara ha. Ọzọ bụkwa igosi ihe ndị kpatara ndaghachiazụ e nwere n'usoro obibi ndụ ndị Igbo nakwa iti mkpu na ọ dị mkpa ịtụlitekwa ezi usoro akparamagwa kwesịrị ekwesị e ji mara ndị Igbo. Nchọcha a zipụtara ụfọdụ usoro ezi akparamagwa kwesịrị ekwesị, ndaghachiazụ a na-ahụta na ha na ihe kpara ha. Ọ gakwara n'ihu tụpụta aro na mkpa ọ dị ịtulitekwa ha. Usoro nchọcha kenkọwa ke-sọvee ka a gbasoro were mee nchọcha a.

1.0 Okwu mmalite

Ndị Igbo bụ ndị bi na mpaghara ọdida anyanwụ nke Naịjirịa. Asụsụ ha na-asụ bụ asụsụ Igbo. E nwere ọtụtụ akụkọ gbasara etu ndị Igbo si malite ma biri ebe ha bi taa nke gụnyere na ha bụ otu n'ime agbụrụ Izrel jefuru ụzọ oge ha na-aga ala Chukwu kwere ha na nkwa. Ihe ha ji akwado nkwenye a sitere n' etu omenala ndị Igbo na nke ndị Izrel siri yie. Iji maa atụ, ndị Igbo na-ebi ụmụ ha ndị nwoke ugwu ụbọchị o mere abalị asatọ a mụrụ ha, na-emekwa omenala ịgụ nwa aha etu ndị Izrel si eme. Akụkọ ọzọ kọkwara na ọ bụ Eri bụ nna ndị Igbo nke Chukwu siri n'elu tụdata o biri na mpaghara ezu Ọmambara bụ ebe a na-akpọ Agụlụeri taa. Igbo na-ezipụta ụzọ ihe atọ. Nke mbụ bụ na ọ bụ ebo ma ọ bụ agbụrụ, ọzọ bụ na e nwere ebe bụ ala Igbo ebe nke ọzọ bụzị na ndị a nwere asụsụ ha nke bụ asụsụ Igbo. Ha so na agbụrụ ka n' ọnụọgụ na mba Afrịka. Ndị Igbo na-agba mbọ nke ukwuu ma na-anabatakwa ọbịa nke ọma. Ịgba mbọ ha na-eduga ha n'okirikiri ụwa niile nke mere na o nweghị mpaghara ụwa ndị Igbo anọghị. Ha nwere omenala nke bụ ụzọ ọdịnala ha si ezipụta nkwenye na nsiri hụ ndụ ha. Ọ gụnyekwara usoro obibi ndụ ndị tarala ọjị nakwa ndị a gbakwụnyere n' ụdị usoro ọgbara ọhụrụ e si ebi ndụ n'ihi mmekọrịta na nnabata nke ndị mba ọzọ. Usoro obibi ndụ na omume ziri ezi ndị a abụghị ihe e deturu ebe ọ bụla n'akwụkwọ mana nwata ọ bụla a mụrụ n'ezi na ụlọ onye Igbo ọ bụla na-esite n'aka nne, nna na ndị bụ ya okenye amụta ihe ndị a. Ndị okenye ndị a bụ site n'ọnụ, akụkọ ifo, na ibi ndụ kwesịrị nṅomi ka ha si akụziri ụmụaka agwa ndị a n'ihi na e nweghị ụlọ akwụkwọ n'oge ochie ahụ.

Abrahams n' Udechukwu (2017:376) kọwara na akụkọ ọdịnala, ilu, agwụgwa, akụkọ okike na egwu ọdịnala nke ha na-eme oge ezumike n'ama egwuregwu obodo bụ ụzọ ụmụaka si esite n'aka ndị okenye amụta ezi akparamagwa. Ọ bụkwa n'ụzọ dị etu a ka ọgbọ ọ bụla na-esi ahafenye usoro obibi ndụ ha n'aka ọgbọ na-esote ha. Nwata ọ bụla na-esite n'aka ndị bụ ya okenye enweta ọzụzụ. Ha na-ejikwa emume ọdịnala dị iche iche ha na-emere ụmụ ha were akụziri ha usoro obibi ndụ na mkpa ezi akparamagwa dị. Iji maa atụ, emume iru mgbede bụ emume ngafe na ndubanye ha na-emere ụmụ ha nwaanyị ndị amaghị nwoke were rue ịlụ di. Ọ na-abụrụ nwata nwaanyị ọ bụla ihe ihere na o soghị ndị ọgbọ ya ruo mgbede n' ihi na ọ na-egosi na ọ marala ihe ndị mụrụ ya ma tupu ọ lụọ di. Mana taa, emume a na ndị ọzọ yiri ya adịghịkwa. Nke a bụ n'ihi nṅomi omenala ndị mba ọzọ ọ kachasị ndị mbịarachịwa bụ ndị weteere ha agụmakwụkwọ na usoro ekpemekpe ndị Bekee mezie ka ndị Igbo na-ahụta ụzọ ndụ nke ha dị ka ihe ọjọọ ekwesighị ịga n' ihu.

Ọ dị oke mwute na taa, ụzọ ndụ jupụtara n'ezi akparamagwa e ji mara ndị Igbo na-ala azụ n'ike n'ike. Ajọ omume n' ụdi dị iche iche bụ nke ha na-amakụ karịa ụzọ ahụ ndị Igbo si ebiri onwe ha. Ọtụtụ oge ọgbọ e nwere ugbu a na-ewere ndụ ndị nna anyị dị ka nke agba ochie nke anaghị ewuzi. Mana nke ahụ na-ewuru

ha bụ ndụ ịla n' iyi. Ebe ọ na-ewute karịa bụ na imirikiti ndị Igbo echefuola ihe ndị ahụ mere ha ndị Igbo n'ihi na ha anaghị akpọkwa ajọ omume ndị a ihe ọjọọ. Ndụ 'achọrọ m ịma' na 'o nwekwaranụ ihe o mere' emeela ka o sie ike ikpebi onye bụ onye Igbo site na ndụ ọ na-ebi. Onye ọ bụla n'otu ụzọ ma ọ bụ n'ụzọ ọzọ chọrọ ịdị ka onye Bekee. Site n'ihe nkiri onyonyoo na-akụzi ihe dị iche iche e nwere taa, ọtụtụ ndị kpọrọ onwe ha ndị Igbo na-esonyere mba ụwa ndị ọzọ n'itinye aka n'ihe arụ na-arịzi ibe ya elu dị ka ịgba ọtọ na-agba egwu ma na-eme ihe ngosi, igbu mmadụ were gwọọ ọgwụ ego, ịma ụmụaka ndi nwaanyị elu n'ike, nwoke idina nwoke na nwaanyị idina nwaanyị, tinyere ndị ọzọ. Omume ọjọọ ndị a niile etinyela aka na ndaghachiazụ usoro obibi ndụ e ji mara ndị Igbo. O mekwara ka ọtụtụ ndị agbụrụ ọzọ na Naịjirịa na mba ụwa na-enyo onye Igbo ọ bụla enyo oge ha mekọrọ ihe ọ kacha n' ihe gbasara azụmahịa n'ụdị ọ bụla. E nweela ndị mere nchọcha n'isiokwu yitere isiokwu nchọcha a ma ha agbadokarịghị ụkwụ n'ịkpọchigha mmụọ ndị Igbo azụ n'ezi usoro obibi ndụ ha.

Ebumnbche nchọcha a bụ iji tie mkpu na ọ dị mkpa ka ụmụ Igbo laghachi azụ n'ezi usoro obibi ndụ e jiri mara ha nke na-ezipụta 'onye biri ibe ya biri' na 'onye anwụla ma ibe ya efula' karịa 'ka m dị naanị m' jupụtara n'ala Igbo taa. Ọ bụkwa ebumnuche ome nchọcha a ichetere ndị Igbo ihe ndị bụ ezi ntọala ọdịnala ha na mkpa ọ dị ibidokwa ịzụnye ụmụ ha n'ime ya. A tụrụ anya na nlaghachi azụ n'ezi usoro obibi ndụ a ga-enyere ndị Igbo aka ịmalitekwa ibi ndụ maka ọdịmma ndị ọzọ. Ọ ga-emekwa ka ọgbọ e nwere ugbu a ghọta na mmadụ ọ bụla agaghị anọọrọ onwe ya ghara inwe mmekọrịta nke ya na ọha obodo. Site n' ụzọ dị etu a gbochie ma ọ bụ belata oke nkoropụ obi na ịkwụ ụdọ a na-ahụ taa.

Nchọcha a jiri atụtụ fọnshọnalisti kemgbanwe ọha were kwado mgbanwe e nwere n' usoro obibi ndụ ndị Igbo na ihe kpatara ya ma gbasokwa usoro nchọcha kenkọwa na ke-sọvee were rụọ ọrụ. Ọ kọwara n'ụzọ dị nke nke ndị bụ ndị Igbo na usoro ọdịnala ha si ebi ndụ nke adịghịkwa etu ọ dị na mbụ. O lebara anya n'ihe bụ ezi akparamagwa na ihe ndị odee ndị ọzọ derela banyere ụfọdụ usoro obibi ndụ na-enyere ndị Igbo aka ichekwaba ezi akparamagwa ha. Ọ tụchakwara ebumnuche nchọcha were gosi ihe o jiri dị mkpa ịlaghachi azụ n'ụzọ ndụ ndị Igbo n'agbanyeghị mbịakọrita na mgbanwe e nwerela n' usoro obibi ndụ a ma tụpụta aro etu a ga-esi mee nke a.

2.0 Ntụleharị Agụmagụ

A ga-amalite ebe a site n' ileba anya n' ihe bụ ezi akparamagwa.

2.1 Kedụ ihe bụ Ezi Akparamagwa?

Ezi akparamagwa bụ ihe ndị mmadụ kpebiri na ọ bụ ihe dị mma, agwa ziri ezi kwesịrị nnọmi. Agwa ọ bụla enweghị onye ọ na-emegide. Eze (nd:12) hụtara

ya dị ka "ihe dị mma ma ọ bụ ihe ọma". Anuolam (1993:317) kọwara ezi akparamagwa dị ka ihe ndị mmadụ nabatara na o kwesịrị ekwesị, ihe ndị a na-ahụta dị ka ihe dị mkpa ma dị oke ọnụ. Ihe bụ ezi akparamagwa bụ otu ma atụlee ya na ihe ọ bụla na-akwalite ezi omume. Haralambos na Heald (1980:6) na ntụnye nke ha kọwara na ezi agwa na-ezipụtakarị usoro nhazi na ihe dị mma kwesịrị nnweta.Ọ na-akọwakwa ihe dị mkpa, kwesị ekwesị ma kwesị ịgbara mbọ. Okolo (1991:180) n'otu aka ahụ kọwakwa na ezi agwa na-eme mmadụ ọ bụrụ onye kwụ chịm n'ihe gbasara omenala ya ma nwee ike ịtụnye ụtụ nke ya n'amamihe, akụkọala na mmepe obodo. Ihe agbụrụ ọ bụla kpọrọ ezigbo ihe, ezi agwa bụ ya ka ha na-achọ. E nwere ike inwe agwa ọjọọ nke bụ ihe ọhaneze achọghị achọ. Ezi akparamagwa nwere ike ịbụ nke onye ma ọ bụ nke ọhaobodo. Ya bụ, ihe otu onye ma ọ bụ ọha nabatara na ọ dị mma, kwesị ekwesị, dị mma ibi n'ihi ya na ịnwụ n'ihi ya. Maka nke a, ihe ọ bụla bụ ezi akparamagwa nweriịrị ndịnaya bụ eziokwu ma atụlee ya n'echiche ya na ihe ndị ọzọ. Ezenwa (nd:12) kwenyere na nke a ebe ọ kọwara na ọ pụtaghị na ezi agwa ọ bụla dị ka Chi siri kee ya kama n'ihi na tupu ọ bụrụ ihe nwere nkwekọrịta ọhanaeze, ezi akparamagwa ọ bụla ga-agbanyeriịrị mgbọrọgwụ ma na-arụtụ aka n'ihe omenala ndị nabatara nke bụ ebe nkwekọrịta ọhanaeze ahụ gbadoro ụkwụ. Haralambos na Heald (1980:6) kọwara na a na-atụ anya na ihe nnweta nke onwe na inweta akụ na ụba bụ ihe ndị mba ụwa mepere emepe weere dị ka ezi ihe. Nke a meziri ka onye ọ bụla kwenye na ọ bụ ihe ziri ezi dị mkpa na ọ ga-agba mbọ ịbụ onye kacha nweta ihe n'ogo ọ bụla ọ nọ, nọrọ n'isi ma ọ bụ rue n' isi njedebe ọkwa ya. Ihe nnweta nke onwe bụzị ọdịmara na nke a na-agbakọ site n'oke akụ na ụba onye na ihe enweenwe ole onye nwere ike inweta. Mana ọ bụghị ụdị usoro obibi ndụ a ka e ji mara ndị Igbo kama ha bụ ndị kwenyere na "onye aghana nwanne ya". O doro anya na site na nkụzi ndị mbịarachịwa wetere n'ala Igbo, ndị Igbo amụtala ụdị ndụ na nkwenye ndị mba mepere emepe ebe ha na-ewerezi ndụ ''onye aghana nwanne ya" dị ka nke ezighị ezi kama onye ọ bụla chọrọ ịbụ isi ma ọ bụ ịnọ n' isi.

2.2 Ụfọdụ Usoro Obibi Ndụ Ndị Igbo na-Enyere ha Aka Ichekwa Ezi Akparamagwa

Nhazi usoro obibi ndụ bụ ihe dị mkpa n'iwulite na ịhazi obodo ọ bụla. Agbụrụ ọ bụla nwere ihe ndị ha na-elegara anya dị ka ihe kwesịrị ekwesị mmadụ ọ bụla ga na-eme. Ya mere na e nwere iwu ọdịnala na usoro a haziri ahazi na-achịkwa ezi akparamagwa ndị mmadụ. O doro anya na ihe otu obodo na-asọ nwere ike ịdiwaga iche n'obodo ọzọ. Ndị Igbo enweghị akwụkwọ ọ bụla ebe ha dere iwu ọdịnala na usoro obibi ndụ ha mana nwata ọ bụla a mụrụ n' obodo ọ bụla n'ala Igbo na-amụta ha site n'aka ndị bụ ya okenye. N'ụzọ dị etu a ka ndị Igbo jikwa nwee ihe ndị ha kpọrọ "arụ" na "nsọ ala" bụ nke gbadoro ụkwụ n' omenala ha dị iche iche. Ihe ndị a bụ ihe onye ọ bụla na-agbarụrụ ihu n'ụdị na ha bụ agwa ọjọọ ekwesighị ka a na-ahụta n'etiti ndị obodo. Ọ bụghị ebumpụta ụwa kama

onye ọ bụla a mụnyere n'obodo ọ bụla na-eńomi ma na-amụta ya. Izere ime arụ na nsọ ala ndị a na-enye aka inweta ezi akparamagwa na usoro a haziri ahazi n'ihi na nwaafọ ọ bụla maara ihe bụ ezi agwa a turu anya n'aka ya n'ọnọdụ ọ bụla. Onye ọ bụla mere arụ na-atakwa ahụhụ so ya. Idobe iwu ọdịnala ndị a bụ mgba jikọrọ mmekọrịta mmadụ na ibe ya n' ụdị ọ gaghị ama afọ n'ala bụrụ ụwa nrọ onye ọ bụla chọrọ ibi naanị ya n'obodo ebe enweghị usoro ọchịchị nke Hobbes na Yankelovich (1981:86) kọwara dị ka agha otu onye na-ebuso ọha ọha na-ebuso otu onye. N'iji nye aka nweta ezi usoro obibi ndụ na nchekwa ezi agwa tupu ndị mbịarachịwa abịa n'ala Igbo, ha nwere ọtụtụ nkwenye dị ka:

2.3 Nkwenye na Chi Ukwu na Ụmụmmụọ dị iche iche:

Chi Ukwu bụ onye kere mmadụ, anụ manụ na ihe niile ma ndị a na-ahụ anya ma ndị anaghị ahụ anya. Na nkwenye ndị Igbo, ọdịdị ya dị ukwu n'ụdị ya na mmadụ enweghị ike inwe mmekọrịta ihu na ihu. N'ihi ya, o nwere ụmụ obere mmụọ dị iche iche o kere dị ka ala, anyanwụ, mmiri na ndi ọzọ. Ha bụ ndị na-anọ n' agbata Chi Ukwu na mmadụ. Arinze (1970:10) kọwara na ndị Igbo na-esite n'aha ha na-agụ ụmụ ha tupu ọbịbịa ndị Bekee egosi nkwenye na Chi Ukwu. N'otu aka ahụ Obiego (1978) na Mgbaegbu (2010:30) kwenyekwara na n'ihi aha ndị Igbo na-agụ, ha kwenyere na Chi Ukwu dị. Ogbodo (2019) kọwara na ndị Igbo nwere ihe karịrị otu narị mmụọ ma ndị ukwu ma ndị nta bụ ndị ha amaghịkwa ihe ọ bụla maka ha n'ihi ihe ụfọdụ. Onye Igbo ọ bụla n'oge mbụ na-agba mbọ ịhụ na o mejọghị ụmụ obere mmụọ ndị a ma ya fọdụ imejọ Chi Ukwu. Ala ịji maa atụ bụ mmụọ na-ahụ maka ọmụmụ ma nke mmadụ ma nke elu ala. Ogbodo (2019) kọwakwara na ala na-ahụ maka ọmụmụ. Onye ọ bụla hopụrụ ji mmadụ sonyere n'ala na ome ji ahụ mere arụ. N' oge ochie onye dị etu a ga-akpụ arụ ịji kpochapụ ajọ ihe o mere ma medaa ala obi. Oge ugbu a, ndị Igbo na ewere ụfọdụ ihe arụ na o nweghịzi ihe o mere. Ebe ụfọdụ a gaala akpụ arụ, ha na-agazi nkwupụta n'aka ndị isi ụka ha ma ọ bụghị ụzọ ndụ ndị Igbo.

2.4 Inye Ụmụaka Ezi Ọzụzụ:

Ezi na ụlọ bụ ebe mbụ nwata Igbo ọ bụla na-enweta ezi ọzụzụ. Ịzụlite ụmụaka bụ nnukwu ọrụ dịịrị nne na nna nakwa onye ọ bụla. Ndị Igbo na-asị na "ọha nwe nwa" nke pụtara na onye ọ bụla nwere oke na ọrụ itinye aka zụlite nwata. Udechukwu (2017:380-381) kọwara na ịzụlite ụmụaka bụ ọrụ dị nnukwu mkpa n'ala igbo. Ọ bụ ọrụ dịịrị ndị mụrụ ụmụaka ọ kacha ndị nne inye ụmụaka ha ezi ọzụzụ n'usoro omenala na ọdịnala ndị Igbo. Igboin (2011:100) n'echiche ya sịrị na nne na nna nwere ọrụ ịzụ ụmụ ha nke ọma ebe ụmụaka n'onwe ha nwekwara ọrụ nke ha n'ebe ndị mụrụ ha nọ. N'oge ochie, ọ dighị onye na-ahụ nwata na-akpa agwa ọjọọ ma tụfue ihu n'ụdị na ọ gbasaghị ya etu ọ dị taa. Ọ bụ eziokwu na ọ bụ ọrụ ndị mụrụ nwa ịzụ nwa ha ọ kacha ndị nne. Mana nwata ọ bụla bara uru abụghị naanị ezi na ụlọ ya na-eri uru ya kama ọ na-abara ogbe nakwa obodo

ya. Iji nweta uru a na nwata ọ bụla, ndị Igbo na-ejikarị akụkọ ọdịnaala dị iche iche ọ kacha akụkọ ifo akụziri ụmụaka ezi agwa. Ha na-emekarị nke a n'oge abịlị. Akụkọ ndị a na-abụkarị n'ụdị izipụta ezigbo agwa na ajọ agwa, uru na ọghọm dị na nke ọ bụla. Mbe na ụmụanụmanụ ndị ọzọ na-akpa agwa dị ka mmadụ. Ịmaatụ e nwere ike zipụta mbe dị ka onye anya ukwu na ọghọm o zutere n' ikpeazụ. Ihe kacha mkpa bụ na na mmechi akụkọ ifo dị etu a, a na-asị "ọ bụ nke a mere na ọ dighị mma inwe anya ukwu".

2.5 Ịkpachapụrụ Ndụ Anya:

Ndụ na nghọta ndị Igbo bụ ihe dị nsọ. Ọ karịrị ihe a ga-akpọ echiche makana echiche ụfọdụ na-esi ike ịkọwapụta. Ndị Igbo na-akpachapụrụ ndụ anya n'ụzọ pụrụ iche. Ọtụtụ oge ha na-eme nke a site n'aha ha na-agụ ụmụaka ha dị ka Ndụbisi", "Ndụka" na ndị ọzọ. N'uzọ dị etu a, ha na-egosipụta ndụ dị ka ihe dị oke ọnụ. Anuolam (1993:134) kọwakwara na ndụ bụ ihe zuru oke n' onwe ya, dị omimi ma bụrụ akwụkwọ ọgụgụ nke kpokọbara amamihe dị omimi. Etu e siri bie ndụ ga-eme ka ọ dị mma baa uru ma ọ bụ ọ bụrụ ihe e bibiri ebibi. Nke a na-arụga aka n'etu ndị Igbo si agba mbọ ịhụ na ndụ alaghị n'iyi. Ihe ọ bụla na-enyere ndụ aka bụ ihe ọma ebe ihe megidere ndụ bụ ihe ọjọọ, ajọọ ihe ma ọ bụ arụ. N'ala Igbo, onye ọ bụla tụfuru ugwu dịịrị mmadụ ma na-ebi ndụ 'achọrọ m ịma' na-abụ onye bi n'ụwa naanị ya. Mbiti (1990:52) kọwara na onye dị etu a enweghị ihere. Ọ ga-ahụta onwe ya dị ka onye dị ndụ ma ọ nọ n' ụwa nrọ. Ani, Ome na Nwankwo (2014:398) kwenyere nke a ma kọwaa na ịhanye ọchịchị obodo n'aka onye dị etu a na-abụrụ obodo ahụ ihe ịhụsi anya n'ihi na ọ gaghị achịkọta obodo nke ọma ebe ọchịchị ya agaghị enwenwu ike ịbụ nke mmadụ niile ga-esonye.

Mmadụ ịkpachara anya ma ọ bụkwanụ oge ụfọdụ n'akpachaghị anya wepụ ndụ mmadụ ibe ya bụ arụ n'omenaala Igbo. N'ihi ya ndụ mmadụ abụghị ihe e nwere ike iwpụ etu ọ sọrọ onye n' ụdị na o nweghị ihe o mere. Achebe (1958:86) jiri agwa Okonkwo na ihe mere n' akwamozu Ezeudu gosi nke a. Okonkwo gbagburu nwa Ezeudu n'akpachaghị anya mana ọ gbara ọsọ ọchụ gbalaa ikwunne ya, n'ihi na ihe o mere bụ arụ n'ala Igbo. O mere nke a iji sọpụrụ ndụ ọ lara n' iyi ma medaa mụọ nwe ala obi. Ọ putara na ọ bụghị naanị n' ime otu ezi na ụlọ kama ezi na ụlọ ụbara mkpuke, ogbe, obodo ma ọ bụ agbụrụ na-ahụta onwe ha dị ka ụmụnne ndị e kwesịrị ịkpachapụrụ anya ma chekwaba ndụ ha Igboin (2011:99). N' ụzọ dị etu a, nghọta uru ndụ bara bụ ihe dị n' ime onye Igbo ọ bụla n' ụdị mmetụta ụmụnne ndị bụ n' ọtụtụ oge ọ bụghị otu nne mụrụ ha. Mmekọrịta na nghọta n' etiti mmadụ na ibe ya ndị Igbo nwere abụghị ụdị nke ndị Bekee. N'ihi ya, ọnọdụ mmụọ mmekọrịta nwanne na nwanne na-akaplite mmadụ igosi obodo ya ịhụnaanya site n' omume ọ na-emeso ndị ọzọ. Mmadụ bara uru karịa akụnaụba niile ndị ọzọ. Nke a na-egosikwa ihe kpatara

ndị Igbo ji akpachapụrụ ụmụaka anya. Agwa ndị Igbo na- akpaso ndụ mmadụ pụrụ iche n' ihi na ha kwenyere na ndụ na chi kere ya nwere mmekọrịta.

2.6 Igba mbọ:

Irụsị ọrụ ike bụ otu n'ime ihe e ji mara ndị Igbo. Ha bụ ndị hụrụ igba mbọ n'anya ebe ọ dị ukwuu. Ọ bụladị onye ume ngwụ maara na ọ bụ site n'ịrụsị ọrụ ike ka mmadụ ga-esi bụrụ onye bara uru n'ezi na ụlọ na n'obodo. Nwaafọ Igbo ọ bụla na-agba mbọ na-akwụdosi ike n'enweghị nkolopụ obi ọ bụladị oge ọ dabara n'ihe isi ike na ndachighaazụ. Eziokwu, ndị ume ngwụ bụ ndị mbụ a malịtere ire n'ohu. Igboin (2011: 10) kwenyere nke a ma kọwaa na e wepụ ụmụ ndị igwe na ndị ọgaranya, ndị dị ike ọrụ bụ ndị gara ụlọ akwụkwọ n'ikpeazụ oge ndị nkụzi ụka Bekee na ndị mbịarachịwa bịachara n'Afrịka. Ndị nne na nna bụ ụmụaka ha ike ọrụ adighị ka ha na-eziga ụlọ akwụkwọ ebe ndị dị ike ọrụ na-anọ n'ụlọ na-arụ ọrụụlọ niile. N'ihu ọrụ, a na-eto uru ọ dị ịrụsị ọrụ ike site n'iji ilu, abụ otito na itu aha were na-agba onye ọrụ ume. Igboin (2011:10) kọwara na ọrụ bụ ihe e were dị ka ọgwụ e ji agwọ ụbịam na ụzọ e si achụpụ ihe isi ike. Ụbịam na ọdịda bụ nwa ogbenye ebe ọganihu nwere ọtụtụ nna na agbụrụ tọrọ atọ. O nweghị onye na-achọ mmekọ ya na onye ngana. Ọtụtụ n'ime ha anaghị enwe ike ịlụ nwaanyị tinyere na ha anaghị enwe ike ịtụnye oke ha n'ezi na ụlọ na n'obodo. Inweta akụ na ụba na-esite n'ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike. Onye ọ bụla nwere akụ na ụba ma o nweghị ụzọ doro anya a maara o si enweta ya, a na-enyo ya enyo.

2.7 Ịdịkọnoto/Ọhazurunwe:

E nwere usoro ezi akparamagwa ndị Igbo nke na-agbdo ụkwụ na mmụta na ihe niile mmadụ na-eme ga-abụ etu ọ ga-esi dịrị onye ọ bụla mma. Ihe ndị mebere nke a bụ ọtụtụ mmekọrịta sitere n'ụmụnna. Ịdikọnotu na-agbado ụkwụ na ndụ onye ọ bụla n' ụmụnna nke obodo. Ọ bụ ejiri mara nke onye ọ bụla n' obodo na-eji egosipụta onwe ya na mmekọrịta ya na ndị ọzọ. N' izụpụta onwe dị ka ezi nwaafọ n' etiti ndị ọzọ, ụmụnna na-apụta ihe dị ka ewumewu na-achịkwa ezi usoro mmekọrịta n'etiti ndị ọnụkọ obodo ahụ. Ọ dighị onye otu ụmụnna ahụ nke ga-akpachara anya mee ihe nwere ike imechu obodo ya ihu. E nwere ụdi mmekọrịta gafere ihe e nwere ike ịhụ anya nke jikọrọ mmadụ na obodo ya. Ani, Ome na Nwankwo (2014:398) kọwara na ụdọ mmekọrịta a bụ ihe jikọtara ezi echiche, mbumuche na ihe ọ na-elegara anya inweta n' ọdịniihu iji bụrụ onye zuru oke na mmadụ ma tụnye ụtụ nke ya n' idozi obodo. N'ụzọ dị etu a, ọ bụ arụ, nsọ ala na ajọ omume mmadụ iche n' echiche ma ya fọdụz imeputa ya n'omume imegide ebe o siri bịa ụwa. Onye Igbo na-echeru echiche ụlọ mgbe ọ na-eme ihe ọ bụla n'ihi na ọ chọghị ihe ga-emegide ọdịmma ya na ụmụnna ya ndị ọzọ. Ọ bụ maka nke a ka ejighị were onye Igbo ọ bụla dị ka onye onwe ya zuru kama onye dị n' ihi ndị ọzọ:

2.8 Ndaghachiazụ Ezi Akparamagwa e ji Mara Ndị Igbo na Ihe Kpatara ya

Na ndụ onye ọ bụla kpọrọ onwe ya nwaafọ Igbo taa, ihe adghịzịkwa etu ọ dị na mbụ dị ka o si metụta ihe bụ ndụ ndị Igbo. Oge ugbu a, a na-ahụtazi oge niile oke ọchịchịọ nke onwe bụ ihe jiderela ma kpụtọọ ndị Igbo, mezie ka a na-ahụta usoro obibi ndụ ọgbaraọhụrụ na ndụ ma okenye ma ụmụaka. Ọtụtụ ihe kpatara ndaghachiazụ n'usoro obibi ndụ ezi akparamagwa a nke ụfọdụ n'ime ha bụ oke ọchịchịọ, ọbịbịa ndị mbịarachịwa, ịgba ohu, ịmakụ ekpemekpe ndị mba ọzọ nakwa ndị ọzọ. Ebigbo n'Ani, Ome na Nwankwo (2014:399) kwuru na nkụzi ịgụ afọ Igbo nke afọ 2002 ọ kpọrọ "ụwa ndị Igbo furu efu" wepụtara ụfọdụ ezi agwa na ajọ agwa tinyere aka n'ụzọ dị mma na n'ụzọ jọgburu onwe ya n'agwa ọjọọ na ndaghachi azụ n'ọganiihu ala Igbo. Ebigbo n'Ani, Ome na Nwankwo (2014:399) kọwara na a na-ahụtazi agwa ọjọọ ndị a mụtara amụta dị ka ịkparị ndị okenye, ọchịchịọ nke onwe, mpako na ndị ọzọ na ndụ ndị Igbo. Ihe bụ isi sekpụ ntị na ndụ oke ọchịchịọ a bụ ego nke werela ọnọdụ dị ka ụzọ e si ekpebizi onye nwere ọganiihụ.

Usoro obibi ndụ nke oke ọchịchịọ bụzị nke zụliterela ajọ agwa dị iche iche dị ka: ka m dị naanị m, ọchịchịọ nke onwe, ebumnobi ọjọọ, fọnfọnjụ akpa n'ihe ọ bụla bụ nke ọha na agụchara m akwụkwọ enweghị ezi agwa. N'oge a, e nwere ọgaranya nwoke ma ọ bụ nwaanyị n'enweghị ezi aha na ezi agwa. N'echiche Ani, Ome na Nwankwo (2014:399) ụdị ndị Igbo e nwere taa abụghị ndị ji ọdịmma ọhaobodo kpọrọ ihe nke dị iche site n'ụdị nwaafọ ahụ na-achọ ka ọ dịrị onye ọ bụla mma, na-akpachapụrụ ndị ọzọ anya ma na-ebute ọdịmma ndị ọzọ ụzọ. Ekei (2002:46) kwenyere na e nweghị mgbagha na naanị ndị Igbo ịgbahapụ ezi akparamagwa e ji mara ha emeela onye Igbo ọ bụrụzie onyinyo nke ezi nwaafọ kwesịrị iwezụga ọchịchịọ nke onwe ma tụnye oke ya na mmepe na ọganiihu obodo ya. Eziokwu ọ bụ ihe doro anya na agaghị akpọ ndị dị etu a ezi ụmụafọ n'ihi na ha amaghị ma ha amụtaghịkwa ndụ ịdịkọnotu nke ha kwesịrị ịmụta n'aka ndị nna nna ha.

Ihe ọzọ kpatara ndagachiazụ a na-ahụ ugbua n'usoro obibi ndụ ezi akparamagwa ndị Igbo bụ ịgba ohu e mere na mba Afrịka nke ala Igbo sonyere na ya. Mmadụ inyo ibe ya enyo oge ọ bụla ha nwere mmekọrịta malitere dịwazie ka ụzọ ndụ kwesịrị ekwesị. Nunn na Wantchekon (2011:3211) kọwara na ogo dị iche iche n'ụdị mmadụ atụkwasaghị ibe ya obi n'Afrịka taa bụ ihe sitere n' agbamohu. Ndị a wakporo nna nna ha n' oge ahụ bụ ndị ọ kacha esiri ike ịtụkwasa ndị ọzọ obi taa. Ọtụtụ ihe ndị sitere n'ịgba ohu bụ nke dị n'ime onye dị ka usoro na-achịkwa iwu ọdịnala, nkwenye na ihe ndị baara ndị uru. Nchọpụta Nuun na Wantchekon (2011:3225) gosiri na mmadụ enweghị ntụkwasa obi n'ebe mmadụ ibe ya nọ n'ala Igbo taa gbadoro ụkwụ n'ihe megara n'oge ịgba ohu. Mgbe nwanne, enyi, ụmụnna nakwa ezi na ụlọ ụfọdụ na-alala

onye nke ha nye n'aka ndị na-agba mgbere ohu. Ọ bụladị onye njem si n'ime ime obodo napụta na-ewere echiche onye ime obodo chee n'ihe ka dị etu ọ dị ma banye n'ụlọ onye Igbo ibe ya izere ndo, onye dị etu a bụ onye ndị ọ nọ n'ụlọ ha na-agba izu ọjọọ ma were ụzọ aghụghọ dupụrụ ya ndị ga-ejide ma refuo ya n'ohu. Nke a mere e ji nwee oke ndaghachiazụ n'etu ndị Igbo si ebi ndụ.

Ụfọdụ ndị odee kwenyere na ọchịchị ndị Bekee wetere ọtụtụ ihe megidere etu ndị Igbo si ebi ndụ. Okoduwa n'Igboin (2011:101) kọwara na ndị mbịarachiwa gbara mbọ kwalite ọnọdụ akụ na ụba na ekpemekpe ha nke pụtara ihe n'ụdị azụmahịa ha bagidere na mba Afrịka bụ nke jupụtara n'oghere inweta ihe kara bara ha uru n'ịkwalite ọnọdụ akụ na ụba na ekpemekpe ha bụ nke gbara elu n'oge ahụ. E wepụ ebumnobi iritere onwe ha uru n'ịkwalite ọnọdụ akụ na ụba ha, Okoduwa n'Igboin (2011:101) kọkwara na ndị Bekee zipụtara mbunuche, nkwenye na usoro ha si ekpebi ihe dị mma na ihe dị njọ, ihe bara uru na ihe abaghị uru ka mma ma dị elu karịa nke ndị ha bịarachiwa. Nkwenye a bụ nke ha haziri nke ọma ọ dabakwara ha site n'igụzobe ụlọ akwụkwọ ebe usoro na-achịkwa ihe ọmụmụ a na-eme na ya bụ iji nweta ebumnobi ndị mbịarachiwa karịa inye ndị a bịarachiwa ọzụzụ ga-enyere ha aka ịkwụrụ onwe ha. Ndị wetere ozioma n'aka nke ha nyekwara aka n'ụzọ pụrụ iche igosi ndị a bịarachiwa na ọdịdị ekpemekpe na nkwenye ha abaghị uru.

Wahab, Odunsi na Ajiboye (2012:5) zipụtara na site na ajụjụ nchọcha ha chịkọbara, ha chọpụtara na ọnụọgụgụ atọ n'ime ise ha jụrụ ajụjụ zara na usoro agụmakwụkwọ ndị Bekee dị ka omenala bịara abịa bụ nke anyị ritere uru karịa ọghọm. Nke a n'eziokwu gosiri na ndị mbịarachiwa nwetere ebumnobi ha. N'echiche ụfọdụ ndị Igbo taa ihe ọ bụla ndị Bekee mere ka mma karịa etu ndị Igbo si eme ya.

2.9 Atụtụ Nchọcha

Nchọcha a gbasoro atụtụ fọnshọnalisti kemgbanwe ọha nke Parsons were rụọ ọrụ. Parsons bụ otu onye n' ime ndị kacha pụta ihe n'atụtụ fọnshọnalisti. Ọ hụtara mgbanwe dị ka ihe anaghị aghasa ezi mkpokọ nke obodo kama dị ka ihe na agbanwe ụdịdị ezi mkpokọ n'ụdị a ga-enwezi mkpokọ ọhụrụ. Ina (1977:545) kọwara na Parsons kwenyere na e nwere ụzọ abụọ mgbanwe nwere ike isi malite. O nwere ike ịmalite site n'isi ebe ọzọ bata n'obodo n'ihi mmekọrịta obodo ahụ na obodo ndị ọzọ ma ọ bụ mgbanwe esite n'ime obodo ahụ n'ihi nhazigharị nke a ga-emeriri iji dozie ihe nhịahụ n'ime obodo. Parsons hụtara mgbanwe ọha n'ụdị mgbanwegharị na-adị n'obodo n'ihi mmepe ma gbalịkwa ịkọwa mgbanwe obodo na-enwe oge ọ na-aga n'ihu na-emepewanye na nhazi otu ọha. Parsons n'Ina (1977:545) rụkwara ụka na ụzọ ihe abụọ nwere ike ime n' oge a. N'ime obodo ebe enweghị mmepe, anaghị enwe ịkpa oke ewumewu nke pụtara na otu ewumewu na-arụ ọtụtụ ọrụ dị iche iche. O jiri ezi na ụlọ maa

atụ, ebe ezi na ụlọ nwere ọrụ ọmụmụ, ọzụzụ, imepụta akụ na ụba na ezi mmekọrịta. Dị ka obodo na-emepe, usoro ịkpa oke na-abata. Ewumewu dị iche iche dị ka ụlọakwụkwọ na otu ndị ọzọ na-amalite ma na-eweghara ọrụ ndị ahụ edobeghị iche maka otu ewumewu ọ bụla na mbụ. Mana ewumewu ọhụrụ ndị ahụ ga-ejikọrịrị ọnụ n' oge a site n'usoro nnabata.

Site n' atụtụ fọnshọnalisti kemgbanwe ọha, o doro anya na mgbanwe na ndaghachi azụ e nwere n'usoro obibi ndụ ndị Igbo taa bụ n'ọganiihu na mmepe nke sitere na mgbanwe dị iche iche ha nwere n'ihi nnabata usoro obibi ndụ ndị mba ọzọ. Ma dị ka Parsons siri kwuo ewumewu ọhụrụ ndị batara n'ala Igbo kwesịrị ka ya na ewumewu ọdịnala ndị Igbo jikọọ ọnụ were nwee ezi nnabata na nnwogharị. Nke a ga-enye aka ime ka ụzọ ndụ ndị Igbo kawanye mma karịa ime ka ndị Igbo gbahapụ usoro obibi ndụ ha.

3.0 Ntụcha Nchọpụta Nchọcha

N' ebe a, a ga-atụcha ebumnuche nchọcha iji gosi nchọpụta nchọcha

3.1 Usoro a ga-Esi Tụlitekwa Ya

Ọ bụrụ na elebaraghị ajọ akparamagwa ndị a niile anya ma katọọ ha, ezi njirimara ndị Igbo ga-efunarị ha. Ebumnuche nchọcha a bụ ịkpọchigha ndị Igbo azụ n'usoro ọdịnala ha si ebi ndụ. Usoro obibi ndụ ndị ahụ e ji mara ha dị ka ịgba mbọ ga-amalitekwa bụrụ nke onye Igbo ọ bụla ga-amakụ karịa oke ọchịchịọ nke a chọpụtara juru ala Igbo taa.

Ndị Igbo ga-agaghachi azụ n'ụzọ ọdịnala ndị ahụ ha nwere tupu ọbịbịa ndị Bekee. Omenala ndị ahụ dị mma dị ka iru mgbede na ezi ụzọ ndị ahụ ha si enye ụmụaka ezi ọzụzụ kwesịrị ịmalitekwa. Parsons kọwara na mmepe na-eweta mgbanwe ma o kwesịghị ịbụ mmegide nye ihe ndị Igbo jiri bụrụ ndị Igbo. Ọ bụghị ụzọ ndụ ndị Bekee niile ka ndị Igbo ga na-eṅomi. Ndị mbịarachịwa weteere ndị Igbo agụmakwụkwọ na usoro obibi ndụ ha ndị ọzọ were kụnye n'ime ndị Igbo mkpụrụ nleda anya nye ụzọ ndụ ha bụ ndị Igbo. Nchọpụta gosiri na etu ha si eṅomi ndị Bekee so n'ihe kpatara oke ndaghachi azụ e nwere n'usoro obibi ndụ e ji mara ndị Igbo.

Ọzọ bụ na ndị nne na nna ga-amalitekwa ịzụnye ụmụ ha ka ha mata na ọ bụ oke na ọrụ okenye ọ bụla n'ala Igbo itinye aka n'izụlite ụmụaka n'ezi agwa n'ụdị na okenye ọ bụla nwere ikeke ịbara nwata na-ejeghie ụzọ mba, dụọ ya ọdụ ma ọ bụkwanụ tie ya ihe oge o kwesịrị. Dị ka nchọpụta a zipụtara na ndị Igbo kwenyere n'ijikọ aka zụọ nwata ka o were baara ezi na ụlọ nakwa obodo ya uru. Nke a ga-abụzi iji gaa n'ihu na-ezipụta nkwenye ndị Igbo na "nwa bụ nwa ọha", nwa baara ezi na ụlọ ya uru obodo niile eketa oke na ya.

4.0 Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha na Mmechi

N'ebe a, ga-achịkọta ihe a chọpụtara na nchọcha a ma mechie

4.1 Nchịkọta Nchọpụta Nchọcha

Ndị Igbo bụ ndị e ji ezi akparamagwa dị iche iche mara n'ihi nkwenye ha n'ọtụtụ usoro ọdịnala ha si ebi ndụ bụ ndị na-enyere ha aka ikwalite na ichekwa ezi akparamagwa ha. Nkwenye ha ụfọdụ gụnyere nkwenye na Chi Ukwu, igba mbọ, ịkpachapụrụ ndụ anya na ndị ọzọ. Mana ha ejirila nleda anya na oke ịnomi ndị Bekee were mee ka ezi usoro obibi ndụ ha na-adaghachi azụ. Dị ka Parsons siri kọwaa n'atụtụ fọnshọnalisti kemgbanwe ọha na e nwere mgbanwe na-esite ebe ọzọ abata n'obodo etu ọbịbịa ndị Bekee siri weta nke o wetere n'ala Igbo dị ka usoro ịgụ akwụkwọ, agbamohu na usoro ekpemekpe dị iche na nke ndị Igbo. E nwekwara mgbanwe ndị Igbo nwere bụ ndị sitere na nhazigharị ha na-eme iji dozie ihe nhịahụ dị ka mmepe na-abata n'ala Igbo. Ma ụzọ ndụ ndị Igbo na-amụta kwesịrị ka o nyere ha aka n'ịhazigharị nke ha nwere etu ọ ga-amakarị karịa ibute ndaghachi azụ.

Oke nleghara anya ndị Igbo na-eleghara usoro obibi ndụ ha n'ihi na ha kwenyere ndị Bekee bịara ma mefuo ha uche ikwenye na ụzọ ndụ ha ezighị ezi. Mezie ka ndị Igbo na-agbagakwu usoro obibi ndụ ndị Bekee. Nke a mere nchọcha a jiri dị nnukwu mkpa n'ihi na ọ bụ ụzọ ịkpọchigha ndị Igbo azụ n'ezi akparamagwa na ụzọ ndụ e ji mara ha.

4.2 Okwu Mmechi

Ndụ ndị Igbo jupụtara n' ezi usoro obibi ndụ na ezi akparamaagwa nke ụfọdụ mba ndị ọzọ na-achọ ịnomi n'ihi uru ha chere dị na ya. Mana ndị Igbo nwee ụzọ ndụ a agbaghapụla ha ebe ha na-agbagakwu usoro ndụ ndị mba ọzọ tụmadị ndị nke megidere ezi akparamaagwa ndị ahụ e ji mara ha. Ọ dị nnukwu mkpa na ndị Igbo laghachiri azụ na nzọ ụkwụ ndị nna na ha dobeere ha iji kwalitekwa ezi omume na akparamaagwa e ji mara ha dị ka etu ha si enye ụmụaka ha ọzụzụ, ịsọpụrụ ndị okenye, ịkpachapụrụ ndụ anya na ndị ọzọ. N'ụzọ dị etu a, mpụ, ọgbaaghara, oke ọchịchịọ nke onwe na agwa ọjọọ ndị ọzọ jupụtara taa n' ala Igbo ga-ebelata ma ọ bụkwanụ laa kpamkpam.

Edensibịa

Achebe, C. (1958). *Things Fall Apart*. London: Heinemann

Ani, K .C, Ome, E. & Nwankwo, A. (2014). "Re- Examination of Igbo Values System and the

Igbo Pesonality: A Kantian and African Comparative Perspective". In *Open Journal of Philosophy*, 4, (pp. 397-403)

Arinze, F. A. (1970). *Sacrifice in Ibo Religion.* Ibadan: University Press.

Anuolam, C. U. (1993). "Igbo Value and Care for Life". In*ExcerptaeDissertationibus in Sacra Theologia*16, (5) Pamplona.

Dwrkings, R. ị1993). *Life's Dominion.* New York

Echeta, U. F. & Eze, E. I. (2017). "The Igbo Care for the Elderly inContemporary Times: An Old Testament Evaluation". In *International Journal of Development andManagement*, 12, (1) (pp. 140-149)

Ekei, J. C. (2002). *Justice in Communualism: A Foundation of Ethics inAfrican Philosophy*.Lagos:Ream Communication.

Ezenwa, P. C. (nd). The Value of Human Dignity: A Socio – CulturalApproach to Analyzing theCrisis of Value among Igbo People of Nigeria. Maximillians Wurzburg

Gyekye, K. (1996*). African Cultural Values: An Introduction*. Accra: SankofaPublishing Company.

Igboin, B.O. (2011). "Colonialism and African Cultural Values". *Africanjournal of History and Culture*. 3, (6) (pp. 96 – 103}Ina, R. (1977). *Sociology.* New York: Worth Publishers.

Mbaegbu, C. C. (2010). Traditional Rational Arguments for the Existence ofGod (chukwu) in Igbo Traditional Philosophy www.ajo.Infol

Mbiti, J.S. (1990). *African Religion and Philosophy*. Nariobi: HeinemannEducational Book.

Nunn, N. &Wantchkon, L. (2011). "The Slave Trade and Origin of Mistrust inAfrica". *America Economic Review*. (pp. 3221-3252)

Nwala, T. U. (1995). *Igbo Philosophy*. Lagos: Lantern Publication.

Ogbodo, I. (2019). The Forgotten Gods of Igbo Culture.

Okolo, B. C. (1991). Ubarnization and African Traditional Values. In J.Kromkowski and G. F. Mclean (eds) *Cultural Heritage andContemporary Change: Culture and Values*5, (pp 179-190). Washington: The Council for Research in Values.

Udechukwu, G. I. (2017). "Igbo Cultural Values and European Influence: AWay to Redirect the Youths". *Unizik Journal of Arts and Humanities*. 18,(22)(pp. 375-388)

Wahab, E. O., Odunsi, S. O. & Ajiboye (2012*). Causes and Consequences ofErosion of Cultura Values in aTraditional African Society*.https://doi.org/10.1155/2012/327061

Yankelovich, D. (1981). New Rules: Searching for Self Fulfillment in a WorldTurned Upside Down. New York: Random House.